Ihe Nsoo Jehova Nwere

# *Atula Egwu Ihe Ojoo Ohula*

By Rev. George Leon Pike Sr.

Ebiri ozi nkaa maka ike ya n'efu. Oburu na ichorokaria nkaa, detara ayi akwukwo site na adresi nkaa dina okpuru. Deputa kwa ole iga enwe ike ikesa site n'inye aka Chineke.

**Published By**

**Grace Temple**
**1235 Locklin Rd**
**Monroe, GA 30655 USA**
**Web: www.GraceTempleOnline.org**
**Email: info@GraceTempleOnline.org**

**IBO9907 • Igbo/ibo • Fear No Evil**

http://www.transology.info/tracts/ibo9907t.htm

## *Atula Egwu Ihe Ojoo Ohula*

Oga amasim imalite isi okwu anyi na nkparita uka a site iju gi ajuju a; inwere anuri n'ezi a, ma obu idi na ohu nke mmoo nye nsogbu na egwu? Ima, otutu mmadu di bu ndi kwere na ha nwere anuri, ma achoputawom dika onye ozi, na otutu ndi okenye a enweghi anuri n'ezie. O meturum nke ukwuu ikowa ya bu Ezi Okwu nke ndu. Agwara anyi site na otu onye oke edemede nke Akwukwo Bible, na mgbe Kriast, onye bu ndu anyi, putara, mgbe ahu bu mgbe anyi nwere ike nezia imalite diwa ndu.

Mgbe amubatara ndi mmadu n'uwa nkaa amubatara ha n'ime onwu. Ha biara n'ime uwa nkaa maka otu ihe, nke bu ka ha wee nwua. Pol siri n'ime Akwukwo Nsoo, na ndu nke anyi nile, anyi no na okpuru ohu, n'ihi egwu nke onwu; imatara na mgbe amubatara mmadu n'ime ala eze nke Chineke, obu n'ime ndu ka amubatara ya, ka owee di ndu n'ebe bu ezia? Onweghi egwu nke onwu ozo, n'ihi ogafewori onwu ma baa na ndu. Onye nwe anyi choro ka mmadu biri ndu nile egwu n'emetughi aka. O na agwa anyi n'ime okwu Ya si ka obi anyi ghara ilo mmiri.

Nkaa, nwere ike buru, ka anyi mata na anyi nwere ike idote obi anyi nile ka oghara ilo mmiri. O dighi mkpa ka anyi kpoo kuuo Chineke ma si Ya meere anyi ihe obula, nke anyi onwe anyi puru ime; kama, anyi ga ekpe ekpere maka ike iji mee nke ahu bu nke Chineke nyere rii anyi ike ime. Uzo idote obi anyi nile ka oghara ilo mmiri n'egwu na ike ogwugwu nile nke ndu bu inwe okwukwe n'ime nkwa ihunanya na mmekuta nile nke Chineke nye anyi, na itukwasi ntukwasi obi nile anyi na Ya, itukwasi Ya obi anyi nile na Ya geme ka ogabiga.

Devid siri "m gaghi atu egwu ihe ojoo obula". Jisos na agwa anyi n'ime Okwu Ya", ka obi gi ghara itu ujo". Chineke enyeghi anyi mmoo ujo, egwu bu nke sitere n'ekwensu. Anyi agaghi atu egwu ibu ogbenye, n'ihi ibu ogbenye bu nmehie, ma itu egwu bu enweghi okwukwe n'ime okwu Chineke, maka o siri, karia ihe nile, ka ihe nile nagara anyi nke oma, ka anyi nwee kwa ezi ndu (ahu ike), dika o nagara nkpuru obi anyi nke oma.

Enweghi okwukwe bu imehie Chineke. Nke ahu nke na abughi site na okwukwe bu nmehie, n'ihi asachara anyi site na okwukwe, ma obu, obu amara ka ejiri zoputa anyi site na okwukwe. Itu egwu nria nria bu enweghi okwukwe n'ime okwu Chineke, n'ihi Akwukwo Nsoo gwara anyi si "Abum Chineke gi, onye na agbaghara gi ajo omume gi nile, na onye nagwo oria gi nile". Cheta na anyi agaghi atu egwu ndaghachi-azu ma obu nmehie. Agwara anyi na Ya agwowori ndaghachi-azu anyi, na odighi ihe obula ga ekewapu anyi site n'ihunanya nke Chineke. Obuna satan enweghi ike ime nkaa. O ga abu riri na ochicho nke onwe gi, ka itughariri gburu-gburu ma hapu Chineke. I ga eme nkaa n'ihi na satan nwara gi "onwunwa" baa na ochicho na nmehie, nkaa kowara dika Akwukwo Nsoo na odighi mgbe obula i huworo Chineke ma obu mara Ya. Ya mere, anyi ga ahu ntukwasi-obi mgbe ebighi-ebi n'ime Ya. I ga atufu ihunanya nke uwa nkaa na ihe nile nke di n'ime Ya mgbe mmadu ochie ahu nwuru, ma mmadu ohuru ahu nke yiriworo Kraist ga ahu ihe nile nke elu igwe na anya. Nkorita akuko Ya ga adi nsoo n'ihi na obu onye ekere ohuu "Lee ihe ochie nile agabisiwo, ma ihe nile aghowo ihe ohuu". Akwukwo Nsoo kwuru.

Devid nke mgbe ochie siri, "Achorom onye nwe anyi, o wee nu olum, wee zoputam site na egwum n'ile". Gini ka satan ji amuputa otutu echiche n'obi gi na uche gi, ka owedaa okwukwe gi site n'egwu, nsogbu na uche abua? Oga abiagide gi karia ka echiche gi nile ga ejigide, Chineke siri, "na ogaghi ekwe ka anwaa gi karia nke gi puru inagide, kama na oge onwunwa ahu ogeme uzo ngbapu, ka i wee nwee ike inagide Ya". O nasi anyi ka anyi wepu echiche nile ma wete nchegbu nile na okpuru okwukwe, ma tukwasi uche n'okwu Ya.

Rapu uche nke onwe nile, rapu echiche gi nile. Kwuo ma chee okwu nke Chineke! Biri na Ya! Hu Ya n'anya! Kwuo maka Ya! Kwee Ya na ukwe! Mee ka oburu ochicho nke obi gi, mgbe iga tukwasi uche gi ka o diri na Kraist Jisos, I ga enwe udo zuru oke. O dighi udo obula diri onye nmehie. O siri na asachara anyi site na okwukwe n'ime okwu Ya, ya mere, dika Jisos siri "Atula Egwu!".

Oburu na ituo egwu ike nile ozo di iche obu ka iburu ohu ike ahu nile, n'ime nkaa ha wee buru gi nna-ukwu, i wee buru ha odigbo dika ha nedebe oru.

Rev. George Leon Pike Sr.

Founder and first President of Jesus Christ's Eternal Kingdom of Abundant Life, Inc.

Ihe Nsoo Jehova Nwere